# Gịnị Mere Ndị Mmadụ Ji Atagbu Onwe Ha n'Ahụhụ? (Nkebi nke 1)

O si n'isi nke 11 n'akwụkwọ *Gịnị Ka Baịbụl Na-akụziri Anyị?* Ọ dịkwa na jw.org/ig.

**IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mata ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.**



## Ọ̀ BỤ CHINEKE NA-AKPATA AHỤHỤ NDỊ MMADỤ NA-ATA?

### 1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị ee?

________________________________________

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị mba?

________________________________________

Gịnị ka **gịnwa** kweere?

________________________________________

________________________________________

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

________________________________________

________________________________________



www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

## 2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

**Jehova achọghị ka anyị na-ata ahụhụ.**

(Gụọ isi nke 11 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị*, paragraf nke 1-5.)

**Gụọ 1 Pita 5:7.**

Olee otú amaokwu a si gosi na Jehova achọghị ka anyị na-ata ahụhụ?

________________________________________

________________________________________

________________________________________

**Gụọ Job 34:10.**

Ọ bụ Chineke na-akpata ahụhụ ndị mmadụ na-ata?

________________________________________

________________________________________

________________________________________



**Otú ahụ a na-ekwesịghị ịta onye rụrụ ụgbọala ụta ma onye na-akwọ ụgbọala daa iwu okporo ụzọ ka a na-ekwesịghịkwa ịta Chineke ụta maka nsogbu ụmụ mmadụ na-akpata**


www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

## Ọ bụ Setan na isi o nupụrụ kpatara ahụhụ ndị mmadụ na-ata.

(Gụọ isi nke 11 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 6-9.)

### Gụọ 1 Jọn 5:19; Mkpughe 12:9.

Olee otú amaokwu ndị a si gosi na ọ bụ Setan chọrọ ka ndị mmadụ na-ata ahụhụ?

________________________________________

________________________________________

________________________________________

________________________________________

### Gụọ Ekliziastis 4:1; 8:9; 9:11.

E wezụga ahụhụ ndị Ekwensu na-akpata, olee ihe ndị ọzọ nwere ike ịkpatara anyị ahụhụ?

________________________________________

________________________________________

________________________________________

________________________________________

Gịnị mere obi ji dị gị ụtọ na ị matala na ọ bụghị Chineke na-akpata ahụhụ ndị mmadụ na-ata nakwa na ọ ga-enyere anyị aka ma nsogbu bịara anyị?

________________________________________

________________________________________

________________________________________

________________________________________


www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

## 3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

**Obi tara Chineke mmiri. Ọ chọrọ ka ndị mmadụ na-ata ahụhụ.**

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

**Ọtụtụ ndị nwere ike ikweta ihe a i kwuru. Ma, ekwetaghị m n'ihi na…**

________________________________

________________________________

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

________________________________

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

________________________________

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

**Ọ bụ Chineke na-achị ụwa, n'ihi ya, ihe ọjọọ ndị na-emenụ ga-abụrịrị uche ya.**

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

**Ọ bụ ihe a ka ọtụtụ okpukpe na-akụzi. Ma, m kweere na ọ bụ Setan na-achị ụwa n'ihi na…**

________________________________

________________________________

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

________________________________

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

________________________________


www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania